# MBILITEN'ỌNWỤ: OLILEANYA NKE ONYEKRAIST

**I Ndi Kọrint 15:1-58**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 379**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ buru na emegh ka Kraist si n'ọnwu bilie, okwukwe-unu bu ihe-efu; unu nānọ na nmehie nile unu ugbu a" (I Ndi Kọrint 15:17).**

**I Eziokwu ahụ Banyere Mbiliten'ọnwụ nke Kraist**

1 Pọl ekwusaworị Oziọma nye NdịKọrint nke esitere na ya zọpụta ha, I Ndi Kọrint 15:1, 2; Ndi Rom 1:16.

2 Dịka edere ya n'Akwụkwọnsọ nzọpụta dabere n'ọnwụ na mbiliten'ọnwụ nke Kraist, I Ndi Kọrint 15:3, 4; Aisaia 53:5; Job 19:25-27; Luk 24:46, 47.

3 Ndịozi na ndị naesoụzo Ya bụ ndịàmà ndị hụrụ mbiliten'ọnwụ Ya, I Ndi Kọrint 15:5-11; Luk 24:33-43; Ọlu Ndi-ozi 9:3-5.

**II Ngọnarị nke Ụfọdụ Mmadụ Gọnarị rị Mbiliten'ọnwụ nke Kraist**

1 Ọ bụrụ na Kraist esighị n'ọnwụ bilie, mkwusa nke Oziọma ahụ na okwukwe ekwere nime Ya bụ n'efu, I Ndi Kọrint 15:12-14; Ndi Rom 4:25.

2 Ọ bụrụ na Kraist esighị n'ọnwụ bilie, Ndịozi na ndi naesoụzọ Ya ka agaahụta dịka ndịàmà ụgha, I Ndi Kọrint 15:15; Ọlu Ndi-ozi 10:39-41.

3 Ọ bụrụ na Kraist esighị n'ọnwụ bilie, ndị niile kwereekwe naanọgide ná mmehie ha, ndị nwụkwara nime Kraist lara n'íyì, I Ndi Kọrint 15:16-19; I Ndi Tesalọnaika 4:13, 14.

**III Nkwenye ahụ Siriike na Ndị nke Kraist Gaesi N'ọnwụ Bilie**

1 Kraist bụ mkpụrụ mbụ nke ndị daworo n'ụra ọnwụ, I Ndi Kọrint 15:20; Levitikọs 23:10, 11; Matiu 27:52, 53

2 Emesịa agaeme ka mmadụ niile n'otù n'otù bilie n'usoro nke aka ha bụ́ ndị nke Kraist n'ọbịbịa Ya, I Ndi Kọrint 15:23; Ndi Filipai 3:10, 11; Nkpughe 20:6

3 Dịka ọnwụ sitere n'aka mmadụ, mbiliten'ọnwụ nke ndi nwụrụanwụ sitekwara n'aka mmadụ, I Ndi Kọrint 15:21, 22; Aisaia 26:19; Jọn 5:28, 29.

**IV Mmeri Ikpeazụ nke Kraist n'ebe Ndị iro Niile nọ**

1 Mgbe Kraist gaemeworị ka ọchịchị niile na ịchịisi niile ghara ịdịire, onyeiro ikpeazụ nke agaebibi bụ ọnwụ, I Ndi Kọrint 15:24-26; Abù Ọma 2:8, 9; Nkpughe 20:7-15.

2 Mgbe edowororị ihe niile n'okpuru ụkwụ Ya abụọ, ọ pụtara ìhè na Kraist agaghị eso ya, I Ndi Kọrint 15:25; Ndi Filipai 2:5-11.

3 Mgbe ahụ ka Ọkpara ahụ gaanọ n'okpuru Nna Ya, ka Chineke wee bụrụ ihe niile nime ihe niile, I Ndi Kọrint 15:28; Jọn 14:28.

**V Olileanya nke OnyeKraist Banyere Ndụ nke Dị N'iru**

1 Ọwụwụmmiri nke mmiri bụ ụdị iso n'ọnwụ, òlìlì, na mbiliten'ọnwụ nke Kraist, I Ndi Kọrint 15:29; Ndi Rom 6:3, 4

2 Pọl naanwụ kwa ụbọchị ka o wee nwekọọ otù ụdị nke ọnwụ Kraist, I Ndi Kọrint 15:30-32; Ndi Filipai 3:10, 11; Ndi Rom 8:18.

3 Olileanya nke ndụ dị n'iru naakpọte OnyeKraist ime eziomume, I Ndi Kọrint 15:33, 34.

**VI Ụdị Arụ nke Agaeji Mee ka Ndị Nwụrụanwụ Bilie**

1 Dịka esi agha mkpụrụ o wee náeto, otú a ka anaenye kwa mkpụrụ ọ bụla arụ nke aka ya, I Ndi Kọrint 15:35-38; Luk 24:39.

2 Dịka ebube nke arụ nke ụwa si dị n'ebe ebube arụ nke eluigwe dị, otú a ka mmadụ nke anụarụ si dị n'ebe mmadụ nke imemmụọ dị, I Ndi Kọrint 15:39-44; 2:9.

3 Mmadụ nke mbụ sitere n'ala ejikwa ájá kpụọ ya: mmadụ nke abụọ bụ Onyenwe anyị nke sitere n'Eluigwe, I Ndi Kọrint 15:45-49; Jenesis 3:19; Ndi Filipai 3:20, 21.

**VII Mgbanwe ahụ nke Dị Mkpà Iji Keta Alaeze Eluigwe**

1 Anụarụ na ọbara apụghị iketa Alaeze ahụ, n’ihi nke a, aghaghị ịgbanwe anyị, I Ndi Kọrint 15:50-54; Jọn 18:36.

2 Ílì atụfuwo mmeri ya, ọnwụ atụfuwo kwa iheọgbagba ya nke bụ mmehie, I Ndi Kọrint 15:55, 56

3 Mmeri site na Jisọs Kraist naakpali ijéozi n’ikwesịntụkwasịobi nime ụwa nke a, I Ndi Kọrint 15:57, 58.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Pọl Onyeozi wepụtara nnọọ otù isi ebeọgụgụ n’ozuzuòkè ya iji kọwaa ihe banyere mbilien’ọnwụ nke anụarụ. **Mbiliten’ọnwụ,** n’ezie, bụ otù nime ọtụtụ isiokwu dị ukwu nke pụtara ìhè nime ọtụtụ akwụkwọozi ya. Nime mkwusanjègharị ya niile o kwusara ihe banyere mbiliten’ọnwụ ahụ náatụghị egwù nye ma Ndị Juu ma Ndịmbaọzọ.

Ọ̀ bụ gịnị mere Onyeozi ahụ ji kwagidesie isiokwu a ike? Ọ bụ n’ihi, nke mbụ, “ọ buru na emegh ka Kraist si n’ọnwu bilie, okwukwe-unu bụ ihe-efu; unu nānọ na nmehie nile unu ugbu a” (I Ndi Kọrint 15:17). Ya mere ọ dịghị olileanya nke nzọpụta dị, olileanya nke ndụ ebighịebi adịgh, olileanya nke Eluigwe adịghị kwa, ma ọ bụghị na eziokwu ahụ na Kraist siri n’ílì pụta, wee tijie agbụ niile nke ọnwụ na nke ọkụalammụọ, bụ ihe emere ka o guzosieike nime obi. Ọ bụ n’ezieokwu ahụ na Kraist siri n’ọnwụ bilie, ya na eziokwu nke ọnwụ Ya, ka òzìzí niile nke Oziọma na Okwukwe niile nke NdịKraist dabere. “Asi na ọ bu nání na ndu a ka ayi nweworo olile-anya-ayi nime Kraist, ayi bu ndi kwesiri ebere karị madu nile” (I Ndi Kọrint 15:19).

### Eziokwu ahụ nke Mbiliten’ọnwụ nke Kraist

N’ihi nke a Onyeozi ahụ gara n’iru ịkwagide mbiliten’ọnwụ nke Kraist: Nke mbụ site n’ịkike nke Akwụkwọnsọ. Pọl dere Akwụkwọozi Mbụ a nye Ndị Kọrint n’ihe di ka 58 A.D (arọ site na mgbe ọnwụ Kraist gasịrị), n’oge a o nwewori nlebaanya nime Akwụkwọozi ọma nke Matiu na Luk, bụ́ akwụkwọ ozi abụọ nke kwuru ọtụtụ ihe banyere mbiliten’ọnwụ nke Jisọs. O nwekwara nlebaanya nime Testament Ochie nke jupụtakwara n’amụma dị icheiche banyere Jisọs, tinye kwa ihe banyere ọnwụ na mbiliten’ọnwụ Ya.

Nke abụọ, ọ chikọtara Ndịozi irinaabụọ ahụ na ihe karịrị narị ụmụnna ise dịka ezi ndịàmà nke kwesịrịntụkwasịobi nye mbiliten’ọnwụ nke Jisọs bụ́ ndị ha na Jisọs yịkọrọ jeeijè ma kwurịtakwaokwu, n’ịpụapụ na ịbataabata, ihe ra ka iri ụbọchị anọ mgbe O bilisịrị n’ọnwụ. Ndị ka n’ọnụọgụgụ n’etiti ndịàmà ndịa dị kwa ndụ n’oge Pọl, ọ bụ ezie na ụfọdụ adawo n’ụra ọnwụ. N’etiti ndịàmà ndịa kwa Pita kwukwara mgbe ọ naezi Kọniliọs na ezin’ụlọya Oziọma: “Ayi onwe-ayi bu kwa ndi-àmà nke ihe nile O (Jisus) mere n’ala ndi-Ju, na nime Jerusalem; Onye ha gbu-kwa-ra, nākwuba Ya n’elu osisi. Onye ahu ka Chineke mere ka O si n’ọnwu bilie n’ubọchi nke-atọ, O were kwa ya nye ka egosi Ya n’ìhè. Ọ bugh ndi-Ju nile ka egosiri Ya, kama ọ bu ndi-àmà Chineke buru ụzọ rọputa, bú ayi onwe-anyi, **ndi soro Ya nēri nāñu kwa mgbe O siri na ndi nwuru anwu bilie”** (Ọlu Ndi-ozi 10:39-41).

N’ikpeazụ ha niile dịka nwa amụkworoamụkwo, Pọl n’onweya, n’ụzọ Damakọs ịdọkpụrụ ndị naesoụzọ Nwoke nke Nazaret a, ghọrọ onye Jisọs dọkpụrụ bụ́ Kraist ahụ nke si n’ọnwụ bilie. Nke a karịkwara ịhụọhù: ọ hụrụ Ya wee kpanyere Ya ụka iru na iru, bụ́ Onye naenwu n’ebube. Pọl n’onweya wee si n’ụzọ dị otú a ghọọ onyeàmà nke hụrụ Onyenwe anyị nke siri n’ọnwụ bilie bụrụ kwa onye tozuruòkè, mgbe o nwesịrị nchigharị ya nke dị ebube, ịbụ otù nime ndịozi irinaabụọ ahụ.

### Mbiliten’ọnwụ nke Kraist nke Ụfọdụ Mmadụ Gọnarị rị

Ọ bụ ezie na mbiliten’ọnwụ nke Jisọs Kraist bụ ihe emere ka o guzosieike n’ụzọ anaapụghị ịrụụka site n’aka ọtụtụ ìgwè ezi ndịàmà, ndị okwu nke ịgbaàmà ha náenweghị kwa ntụpọ, nke bụ kwa ihe apụrụ ịnabata nkeọma n’ụlọikpe nke obodo anyị taa nke pụrụ ikpeikpe ziriezi, ma n’oge nke Pọl enwere ndị nọ ọbụná n’iru eziàmà nke a wee gọnarị mbiliten’ọnwụ ahụ kpamkpam. Ndị Areopagus n’elu ugwu Mars nke dị n’Atens naegentị n’okwu nke Onyeozi ahụ naekwu, rue mgbe o metụrụ mbiliten’ọnwụ aka, mgbe ahụ ụfọdụ kwara emo.

Ma ekweghịekwe ahụ akwụsịghị n’ụbọchị Pọl. Òtùọbịaraọhụụ nke ụbọchị taa adịghị agọnarị náánị mbiliten’ọnwụ kama ha ji nlelị wee jụ ike Chineke ma wezuga kwa ọlụebube niile nke dị na Baịbụl. Ihe niile banyere Okwukwe nke ndịKraist adaruwo ala dịka o si metụta okpukpé ahụ. Nke a ka onye okpukpe ọbịaraọhụ a matara, ma n’ihi mkwagide ọnọdụ ya, òzízí niile ahụ zuruòkè nke Baịbụl nke bụ ntọala nke Nzukọ Kraist mbụ ahụ ka ọ kpọrọ náánị okwukweụghaa nke mgbe garaaga. Òzízí nke ịlan’íyì nke ndị ọbịaraọhụ naabami kwa ngwangwa nime ọtụtụ nzukọ bụ́ ndị kweworo na mbụ ma guzo kwa n’òzízí mbụ nke Kraist na Ndịozi Ya. Nzukọ ahụ dapụrụ n’okwukwe nke ụbọchị ikpeazụ ndịa ji ọsọsọ náewere ọnọdụ.

### Mbiliten’ọnwụ nke Ndị Kraist Doroanya

Nzọpụta nke OnyeKraist naamalite mgbe ya onweya dịka onye mmehie, nwere amamikpé siriike nke mmehie, wee chègharịa site ná mwute dịka Chineke chọrọ ewee gụọ ya n'onye eziomume site n'okwukwe. Ma nzọpụta ya adịghị akwụsị ná nnwapụta nke a maọbụ na nnwapụta dị omimi nke odudonsọ na ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Nzọpụta ya naaga kwa n'iru n'ụbọchị niile nke ijè ya dịka OnyeKraist, rue mgbe emere ka o zueòkè wee bụrụ kwa onye ejikeworo maka alaeze Eluigwe. Dịka Pita Onyeozi kwupụtara ya: "onye unu huru n'anya, ọ bu ezie na unu ahugh Ya anya; Onye unu kwere na Ya, ọ bu ezie na unu adigh-ahu Ya anya ugbu a, obi we nātọ unu utọ nke-uku n'ọñu nke anāpugh ikwu okwu nke enyewo-kwa-ra ya otuto: **ebe unu nānata ihe okwukwe-unu gēweta, bú nzọputa nke mkpuru-obi-unu"** (I Pita 1:8, 9).

Ya mere "oké nzọputa di otú a," ka anyị matara na eji ọnwụ na mbiliten'ọnwụ nke Onyenweanyị Jisọs Kraist kaa ya àkàrà. Ma mbiliten'ọnwụ nke Kraist n'anụarụ naeme ka nzọpụta ebighịebi anyị guzosieike karịa. Ọlụebube ahụ nke karịrị ọlụebube niile naeme ka o doo anya na arụ nke onye ahụ nke náerubeisi nye Onye ahụ nke naewetara mmadụ niile nzọpụta ebighịebi aghaghị isi n'ọnwụ bilie. "Ma otú ọdi, emewo ka Kraist si ná ndi nwuru anwu bilie, **nkpuru mbu nke ndi daworo n'ura ọnwu** … Ma madu nile n'otù n'otù n'usoro nke aka ha: Kraist, dika nkpuru mbu; **emesia ndi nke Kraist n'ọbibia-Ya"** (I Ndi Kọrint 15:20, 23). Mkwà nke mbiliten'ọnwụ nke arụ a abụrụwo olileanya nke Nzukọ Kraist nime ọgbọ niile. Nzukọ ọ bụla nke tufuworo olileanya nke a anwụwo. Ezi NdịKraist niile naelesianya ike maka óké Ụbọchị nke Mgbapụta ahụ: "N'ihi Onye-nwe-ayi onwe-Ya gēwere ịkpọ-òkù, were olu isi-mọ-ozi, were kwa opi nke Chineke si n'elu-ridata: **ndi nwuru nime Kraist gēbu kwa uzọ si n'ọnwu bilie:** mgbe ahu ayi onwe-ayi, bú ndi nọ ná ndu, ndi anārapu, ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara elu-igwe; otú a ka ayi na Onye-nwe-ayi gānọ kwa mgbe nile" (I Ndi Tesalọnaika 4:16, 17). "Akēmegh kwa ka ọ puta ìhè ihe ayi gābu: ayi matara na, ọ buru na agēme ka Ọ puta ìhè, ayi gābu ndi yiri ya: n'ihi na ayi gāhu Ya otú Ọ di. **Onye ọ bula nke nwere olile-anya nka n'ebe Ọ nọ, ọ nēme kwa onwe ya ka ọ di ọcha dika Ya onwe-Ya di ọcha"** (I Jọn 3:2, 3).

**Mgbapụta Nke Arụ**

Mgbanwe nke anaapụghị ịkọwa gaewere ọnọdụ n'arụ nke OnyeKraist n'Ụbọchị nke Mgbapụta, ọbụná mgbe ọ laghachịwororị n'ájá ebe o si bịa, hụ kwa ireurè wee tọgbọ kwa n'ílì ọtụtụ narị arọ. "Dika Nnam nwere ndu nime onwe-Ya; otú a ka O nye-kwa-ra Ọkpara-Ya inwe ndu nime Onwe-Ya; … oge hour nābia mgbe ndi nile di n'ílì gānu olu-Ya, ha gāputa kwa" (Jọn 5:26, 28, 29). "Ọ buru na Mọ nke Onye ahu Nke mere ka Jisus si ná ndi nwuru anwu bilie nēbi nime unu, Onye ahu Nke mere ka Kraist Jisus si ná ndi nwuru anwu bilie gēsite kwa n'aka Mọ-Ya Nke bi nime unu me ka aru-unu nke puru inwu anwu di ndu" (Ndi Rom 8:11). Pọl, ji-kwara mgbanwe a dị ebube tụnyere mkpụrụ nke akụrụ n'ubi: "Adigh-eme ka nkpuru gi onwe gi nāgha di ndu, ma ọ buru na ọ nwugh anwu: ihe i nāgha kwa, ọ bugh aru gāputa ka i nāgha, kama ọ bu nkpuru efu, ma elegh anya ọ gābu ọkà, ma-ọbu nkpuru ọ bula nime nkpuru fọduru, ma Chineke nēnye ya aru dika Ọ chọrọ, nēnye kwa nkpuru ọ bula nime nkpuru nile aru nke aka Ya" (I Ndi Kọrint 15:36-38). Ihe ọ bụla mgbanwe nke ebube ahụ gaabụ mgbe opi ahụ dara, emere ka o doo anyị anya na arụ ndịa pụrụ ịnwụanwụ ka agaagbanwe baa n'ụdị arụ nke ebube Ya: "N'ihi na ala-ayi di n'elu-igwe ugbu a; site n'ebe ayi nēchesi kwa Onye-nzọputa ike, bú Onye-nwe-ayi Jisus Kraist: Onye gēme aru nke ọnọdu-ayi di ala ka o nwe oyiyi ọhu, ka ya na aru nke ebube-Ya we nwekọ otù udi, dika ilusi-ọlu-ike ahu si di nke O ji pu ọbuná ido ihe nile n'okpuru Onwe-Ya " (Ndi Filipai 3:20, 21). Ọ dịghị kwa ihe mgbu, na iruuju na ọnwụ gaadị ọzọ bụ́ nke soworo anyị mgbe anyị naebi nime arụ ndịa pụrụ ịnwụanwụ. "Ọ gēhichapu kwa anya-miri nile ọ bula n'anya ha; ọnwu agaghi-adi kwa ọzọ: iru-uju ma-ọbu ikwa-ákwá ma-ọbu aru-ufu agagh-adi kwa ọzọ: ihe mbu nile agabigawo" (Nkpughe 21:4).

**"M'bụ ony'ijè, na onye ọbị a;**
**M'pur'ichere, m'pur'ich'otù abalị ;**
**Egbochi-kwa-lam, n'ihi na m'nāla**
**N'ebe miri ndu nērù mgbe nile.**
**"N'obod'ahụ, bụ́ nke m'nējeru,**
**Onye-nzọpụm, Onye-nzọpụm b'ìhè ya,**
**Ir'uju adị ghị , m'ọbụ is'ude.**
**M'ọb'anya-miri, m'ọbụ ị nwụ anwụ."**

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị mere Pọl jiri were otù isiebeọgụgụ nke kachasị ogologo nime Akwụkwọozi niile iji kwue ihe banyere mbiliten'ọnwụ?

2 Òlee òzízí ndị ahụ dị mkpà nime Oziọma nke náadabere ná mbiliten'ọnwụ nke Jisọs Kraist n'anụarụ?

3 Òlee ndị ahụ hụrụ mbiliten'ọnwụ nke Jisọs Kraist nke Pọl kpọrọ iji kwagide mbiliten'ọnwụ Ya n'anụarụ?

4 Òlee òtù ndịokpukpé nke oge a nke gọnarịrịworo mbiliten'ọnwụ? gịnị bụ kwa mmetụta nke oge a nke nwere n'ebe Okwukwe nke ndị Kraist dị?

5 Gịnị bụ olileanya siriike nke mbiliten'ọnwụ nke Jisọs n'anụarụ naenye Ndị nke Kraist?

6 Gịnị ka Pọl ji tụnyere mgbanwe ahụ nke mbiliten'ọnwụ gaeweta n'arụ ahụ nke emere ka o si n'ọnwụ bilie?

7 Gịnị bụ ụfọdụ nime ngọzi ndị ahụ nke náeso arụ ebube ahụ?